Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.7 No.4 December, 2024; p.g. 51 – 59; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

MMETỤTA NKA ỌGỤGỤ NA MMETA NKEỌMA ỤMỤAKWỤKWỌ SEKỌNDỊRỊ NTA N'ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO NA ZONU MMỤTA NSỤKA NA STETI ENUGWU

Si N'aka
EZEMA, CHINENYE A.
08037728086
chinenye.ezema@unn.edu.ng
Humanities Unit
School of General Studies
University of Nigeria, Nsukka
&
EZE, ROSELINE IFEOMA
08064008703
eze.roseline@unn.edu.ng
Department of Arts Education
Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka

Corresponding Author: Eze, Roseline Ifeoma

ỤMỊ

Nchọcha a bụ iji chọpụta mmetụta nka ọgụgụ asụsụ Igbo na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu. Mbunuche nchọcha a ga-elebe anya na ka ogo nka ọgụgụ, ngụpụta ederede naịchọpụta ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ.Ndị nchọcha agbasoro usoro Sọvee Nkọwa na ajụjụ nchọcha atọ. Ụmụakwụkwọ e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta dịPuku iri atọ, nari asaa na asaa (3,777) n'ọnụọgụ nke e sitere n'usoro nhọrọ tụbọm tụbọm họpụta ọnụọgụ ụmụakwụkwọ dị narị atọ na iri ise (350) n'ọnụọgụ.Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha dị iri abụọ na asatọ (28) na Mmetụta Mmeta nkeọma Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị Nta N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (MMNỌỤSNNAI), ndị nchọcha ji aka ha mepụta. Ndị ọkammụta atọ si na ngalaba asụsụ Igbo na Measurement na Evaluation nyochara ngwa nchọcha ndị a ma kwenye na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme. Nwale ntụkwasiobị e mere n'ụlọakwụkwọ Community Sec School Edeoballa esoghi n'ebe nchọcha, nyere akara ntụkwasiobi 0.82.E ji miin na ndịpuizugbe wee zaa ajụjụ nchọcha. Nchọpụta gosiri na e nwere mmetụta nka ọgụgụ na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n' ọmụmụ asụsụ Igbo maka naịgụpụta mkpụrụokwu asụsụ Igbo na-enye ọtụtụ ụmụakwụkwọ nsogbu, ndị nne na nna ụfọdụ anaghị azụtara ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ asụsụ Igbo ma ya fọdụ inye ha ohere inwe ịkpakọrịta n'asụsụ Igbo. Aro ndị nchọcha bụ ka ndị nne na nna na-agbaziri ụmụaka ha inwe mmasị nakwa ọgụgụ ihe n'asụsụ Igbo, Ụlọakwụkwọ inye ụmụakwụkwọ mere nkeọmaonyinye akwụkwọ ọgụgụ Igbo, iwepụta ụbọchị pụrụ iche maka ọgụgụ n'asụsụ Igbo, site n'ime ka ihe niile n'oge ọmụmụ asụsụ Igbo na-agbado ụkwụ na nka ọgụgụ. N'ikpeazụ, ka ndị nkụzị asụsụ Igbo malite n'ogoagụmakwụkwọọtaakara na praịmarị kuzibe nka ọgụgụ maka ịkwalite mmeta nke oma ha ọkachasị n'ogo ule ukwu sekọndịrị nta.

Sapientia Global Journal of Arts, Humanities and Development Studies (SGOJAHDS), Vol.7 No.4 December, 2024; p.g. 51 – 59; ISSN: 2695-2319 (Print); ISSN: 2695-2327 (Online)

Ọkpụrụkpụ Okwu: Nka Ọgụgụ, Ọmụmụ Asụsụ Igbo, Mmeta Nkeọma, Ụmụakwụkwọ Sekọndịrị Nta

ABSTRACT

This paper examines the impact of reading skill on junior secondary school students' achievement in Igbo language in Nsukka Educational Zone, Enugu State. The objectives of the study were to investigate how the level of reading skill, reading of written texts and way to promote the reading skill of students' achievement in Igbo language. This study adopts the descriptive survey design and three research questions were used. The population of three thousand, seven hundred and seventy seven (3,777) students were used. Three hundred and fifty (350) students were selected through simple random sampling technique. A 28-item questionnaire named Impact of Reading Skill on Students' Achievement in Igbo Language (IRSSAIL) developed by the researchers was used. Three experts from the departments of Arts Education and Measurement and Evaluation from the Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka face validated the instrument for the study. The reliability of the instrument was tested at Community Secondary School, Ibagwa Ani, a school different from the area of study using Cronbach Coefficient Alpha at 0.82. Mean and Standard Deviation were used to analyse the data collected. Findings of the study show that reading skill has a great impact on achievement in Igbo language due to their inability to pronounce or read out Igbo words or text, parents do not buy Igbo texts and fictions for them nor allow their children to discuss with them in Igbo language at home. The researchers recommend that parents should motivate their children to have interest in reading in Igbo texts. Schools should give award to students that perform well in Igbo language. At last, Igbo language teachers should start teaching reading from nursery and primary School stage to promote students'achievement especially at the Junior SSCE examinations.

Keywords: Reading Skill, Igbo Language, Achievement, Junior Secondary School.

Mkpọlite

Asụsụ Igbo so otu n'ime asụsụ ala Naijirịa anabatara nke na-arụ nnukwu ọrụ dị oke mkpa maka ịkwalite na ichekwa omenaala e ji amata mmadụ. Dị ka ọ dị na ọtụtụ olundị e nwere n'ụwa niile, asụsụ Igbo agabigara ọtụtụ ọdachi na nhịaahụ nke gụnyere nlachi azụ n'itinye n'ọrụ na ịsụ ya n'etiti ụmụntorobịa.

A na-ahụta inwe ezi nka ọgụgụ n'ebe ụmụaka nọ ka ihe na-eduba ha n'imeta nkeọma n'agụmakwụkwọ ha n'ogo agụmakwụkwọ ọbụla. Inwe ezi ntọala na nka ọgụgụ bụzi ihe n'ala azụ n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ụlọakwụkwọ (ọtaakara, praịmarị, sekọndịrị na mahadum) n'oge ugbu a. Ụmụakwụkwọ oge ugbu a na-enwe mmasi n'ikiri ihe oyooyo na tiivii, video, tinyere ekwentị. Eze (2023) kwadoro na o bụ bido n'ezinaụlọ ka nwata si enweta ntọala asụsụ, ikwu okwu nakwa usoro ebimdụ maka ịkwado ya ịbanye n' ogo igụpụta ihe n'ụlọakwụkwọ. Atụtụ nkụzi Jerome Bruner (1915) kwuru na omume na mmekọrịta ụmụaka na ndị okenye na-enye ha ohere ịmụta asụsụ nne ha. O na-emekwazi ka nwata mara ihe a na-ekwu n'asụsụ. Etu ahụ ka ọ dị n'asụsụ niile dị n'ụwa gbaa gburugburu.

Ịgụ ihe kwesịrị ka ọ bụrụ ihe ụmụakwụkwọ ga na-eme kwa ụbọchị kwa ụbọchị ma oge anọ n'ụlọakwụkwọ ma oge anọ n'ụlọ ha. Ịgụ ihe di ka Oriogu (2015) kọwara ya, ọ bụ usoro ighọta ederede ka e were zipụta nghọta. Nke a dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ na-eweta agamnihu na ito n'amamihe na amamakwụkwọ nwata. O nweghị ka nwaakwụkwọ ga-esi na-etolite n'agụmakwụkwọ ma ọ bụghị ma o nwere nka ọgụgụ siri nnukwu ike. Bido n'ụlọakwụkwọ ọtaakara, a na-ebido akụziri ụmụaka ọgụgụ. A na-ebu ụzọ akụziri ha ịgụ otu mkpụrụedemede dịka 'a', 'b', 'ch','d', 'e', were dịrị gawa. Mgbe ọ mụtara nke a, abanye n'ikuziri ya ka e si agụ mkpụrụedemede abụọ maọbụ otu nkejiokwu dịka 'ga', 'me', 'ri' 'mụ' 'to' na ndị ọzọ. Etu ka a ga-esi banyekwa na mkpụrụedemede atọ maọbụ nkejiokwu abụọ dịka 'aga', 'eme', 'iri', 'amụ', 'ito', nakwa ọtụtụ ndị ọzọ wee ganye na nwata ahụ etozuo imebe ahịrịokwu mfe.

Mgbe nwata banyere n'ụlọakwụkwọ praịmarị si ya banye n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nakwa mahadum, mmụta o nwetara na ntọala e nyere ya n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na praịmarị ga na-edu ya. N'iji kwado mmetụta nka ọgụgụ nwere nwere na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ, Ezema (2021) kwuru na nka ọgụgụ bụ otu n'ime nka onye ọbụla na-amụ akwụkwọ maọbụ asụsụ kwesịrị inwe. Nka a dị oke mkpa n'ebe ihe ọmụmụ dị n'ihi na ọ na-ebute agamnihu nye ngalaba ọmụmụ ndị ọzọ. Ọgụgụ nwere ike ịbụ ka e nweta obiụtọ, ozi, amamihe maọbụ mmụta. Mgbodile (1999) kọwara na nka ọgụgụ na-eduga mmmadụ na mmekọrịta a na-enweta na nghọta sitere n'ederede.

Inwe ike ịgụ ihe ọbụla edere ede ma nghọtakwa ya bụ site na ike nka ọgụgụ. N'ịkwado nke a, Arumobi na Ukwoma (2016) kwadokwara na ezi mmụta dị oke mkpa n'inweta ozi sitere n'amamakwụkwọ. Ọ bụ nka ọgụgụ bụ ụzọ n'usoro e si aghọta ozi ọbụla tupu e dewe ya ede. E nwere nka asụsụ anọ. Ha bụ: nka ọnụnụ, nka ọsụsụ, nka ọgụgụ na nka odide. Ọnụnụ bụ otu nka n'ime nka asụsụ e nwere ma burukwa nke mbụ. Ọ dị mkpa ma na-emepe ụzọ ọmụmụ etu o siri gbasa ịmụ asụsụ. Nka atọ ndị nke ọzọ - ọsụsụ, ọgụgụ na odide na-agbado ụkwụ na ya, ha enweghị ike ime ihe ọbụla ma e wepụ ya. Ka nka ọnụnụ si dị nnukwu mkpa, ọ bụrụ na o nweghị ntọala tọrọ atọ, ịmụ asụsụ na-adị ka mmiri na-ama okwute. Ya bụ, na nka ọnụnụ bụ isi a hụrụ wee kwaba okpu n'ebe asụsụ dị. Ụmọ na Ezema (2007) kwadoro na nka ọnụnụ bụ mmadụ inwe ike mụta ka e si anụta asụsụ. Nka ọnụnụ asụsụ bara nnukwu uru n'ihi na ọ bụ ya ga-eme ka a mata oge mmadụ na-asụ Igbo zuru oke. Nke a ga-eme ka a mata oge mmadụ na-asụ Igbo Izugbe maọbụ olundị dị iche iche e nwere n'asụsụ Igbo.

Nka ọsụsụ na-esochi nka ọnụnụ n'usoro e si amụ asụsụ. Ozugbo nwata gafechara nka ọnụnụ, ọ na-abanye na nka ọsụsụ bụ ebe ọ ga-esonye na ndị na-asụ asụsụ ahụ iji gosipụta echiche obi na mmetụta ya n'ụdị ndị nwee asụsụ ahụ ga-aghọta ya. Inwe ike kparịta ụka dị ezigbo mkpa n'ihi na mmekọrịta mmadụ na ibe ya na ihe omume na-adị ire site mgbe onye ahụ na-ekwupụta ya n'ọnụ. Na nkwado nke a, Ụmọ na Ezema (2007) gosiri na ọ dị mkpa ka anyị mata na nka ọsụsụ bara ọtụtụ uru n'ala Igbo nakwa ụwa niile.

Nka ọzọ na-abịa n'usoro nka asụsụ bụ ọgụgụ. Mgbodile (1999) kọwara nka a ka: ikike ighọta na ịkọwa ihe e dere ede maọbụ ebipụtara n'akwụkwọ, ya na inweta uru na mpụtara. Nka ọgụgụ dị ezigbo mkpa maka mmadụ ibawanye n'asụsụ. Ọ bụkwazi ihe bara nnukwu uru n'ebe agụmakwụkwọ mmadụ dị. Ọ bụ ike na igodo inweta amamihe na ụbụru isi maka ịgụta ihe niile e depụtara edepụta n'akwụkwọ maka mmepe obodo na ụwa gbaa gburugburu (Ohiri-Aniche 2004).

Nwata enweghị nka ndị a na-enwe nsogbu n'ụlọ akwụkwọ n'ihi na ọ gaghị emeta nkeọma n'ọtụtụ ihe omume n'ụlọakwụkwọ.

Nka nke anọ bụ nka odide bụ ikpeazụ na nka asụsụ. Nke a bụ idetu mmetụta na echiche site n'iji usoro odide na mkpụrụ edemede asụsụ ahụ nabatara. Nka odide bụ ihe a ga-akụziri nwata tupu ọ mara ya. Ọ dighị ka nka ọnụnụ na ọsụsụ bụ ndị nke na-abịara onye n'amụghị ha amụ. Naanị nka odide tinyere nka ọgụgụ bụ ihe a na-akụziri mmadụ akụzi. Anọzie (1999) kọwara nka odide ka naanị ụzọ e si edekọ ihe gbasara asụsụ n'ụdị eserese nke a na-ezipụta n'ụzọ dị iche iche. Ebe Ohiri-Aniche (2004) kọwara sị, ide ihe bụ otu ụzọ mmadụ ji akọwapụta uche ya; o nwere ike bụrụ ideturu onwe ya okwu ncheta ụfọdụ (dị ka na dayarị, akwụkwọ rekọdụ), maọbụ idegara mmadụ ọzọ okwu ozi (dị ka leta, nootu), ide edemede a rọrọ arọ (dị ka kọmpozishọn), ide edemede ekereuche (dị ka uri, abụ, akụkọ).

O kwesịrị ka a kụziere nwata ezigbo usoro maọbụ ndokọ a nabatara nye odide asụsụ. Nke a bụ ka ha nwee ike belata ọtụtụ ndejọ a na-ahụkarị na nsụpe, ntụpọ na ndokọ asụsụ ha(Oyowole 2017). Ọ ga-emekwa ka ha mara ndịiche dị n'ederede e detara nkeọma na nke e detaghị nkeọma.Dị ka ndị kuziri ma na-akụzi maka ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo dị iche iche, ndị nchọcha chọpụtara na otụtụ amaghị ede niile a na-ahụta n'ederede ụmụakwụkwọ n'ule Igbo na-apụta ihe ma na-esita n'amaghị agụ ederede. Ndehie niile ha na-ede na-esitekwa etu ha si agụta asụsụ Igbo. Nchọpụta onye isi WAEC n'asụsụ Igbo bido n'afọ 2017 rue 2023 kwadokwara na ụmụakwụkwọ amaghị ede asụsụ Igbo dị ka o kwesiri. (WAEC Chief Examiners Report 2017 - 2023).

Aka mgba na-echere nka ọgụgụ n'asụsụ Igbo bụ nke na-esite n'amaghị agụ ederede n'asụsụ Igbo, anaghị asụrụ nwata asụsụ Igbo n'ezinaụlọ bụ isi a hụrụ kwaba okpu na mmeta nkeọma n'asụsụ Igbo. Ọtụtụ ezinaụlọ n'ala Igbo anaghịzi asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo. Na mgbaru ihu, Otache (2020) kwuru na ụfọdụ mmadụ amaghị na ọ bụ site nka ọgụgụ ka e ji amata ka ndị si ebi ndụ ha.

Ha na-eleda ụmụaka na-asụ asụsụ Igbo anya, na-akparị ha ma na-ewekwa ha ka ndị amaghị ihe ma oli. Ụmọ na Okeke (2009) kwadokwara nke a sị, "ihe kpatara asụsụ Igbo ji na-anyụ ka ọkụ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị bụ ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo n'ụlọ".

N'agbanyeghị na ụfọdụ nne na nna achọghị ịsụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ ha, a na-enwe mmachibido n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta. Nbụ site na ọtụtụ ahụhụ, nha maọbụ ịchụ nwa akwụkwọ dị etu a n'ụlọ akwụkwọ mgbe ọ sụrụ asụsụ Igbo. Ohiri-Aniche (2006) Mbah (2007) kwara arịrị kwuo, na nwute na o nweghị ụmụ Igbo ndị nwere agba na-eziga ụmụ ha n'ụlọakwụkwọ ka ha mụọ ihe gbasara asụsụ Igbo. N'ihi nke a, nchọcha a chọrọ ịchọpụta mmetụta nka ọgụgụ na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n' ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu.

Nsogbu Nchọcha

N'agbanyeghi mkpa asụsụ Igbo ọkachasị nka ọgụgụ dị, e nwere nnukwu nsogbu chere 'ighọta na n'ịsụ Igbo izugbe ihu, nke na-emetụta mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ ọkachasị na zonu mmụta Nsụkana-ezipụta mmetụta ngwakọrịta pụtara ihe bụ nke a kpọrọ 'olundịigbo'. Olundịigbo pụtara ngwakọrịta olundị na igbo izugbe otu mgbe.

Njekọrịta a na-ebute nhịaahụ n'ịsụ na ịghọta Igbo izugbe bụ nke na-eweta enweghị ezi nzirikọta ozi. Ọ na-ata ụmụakwụkwọ akpụ ịmata ka a ga-esi gbochie nsogbu olundị maọbụ asụsụ epum ha ịbata n'ihe ha na-ekwu mgbe e ji Igbo izugbe akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nke a nwere ike ibute ndaghachi azụ ma ọ bụkwanu nwetara ha agaaminhu n'ịsụ Igbo izugbe.

Ọ bụ n'ihi nke a ka ndị nchọcha a ji leba anya na mmetụta nka ọgụgụ na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche nchọcha nke izugbe bụ ịchọpụta mmetụta nka ọgụgụ na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu. Mbunuche nchọcha a lebara anya kpọm kwem na:

1. Ịchọpụta ka ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.
2. Inyocha ka mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.
3. Ịchọpụta ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a ka e wepụtara maka nchọcha a:

1. Kedụ ka ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu?
2. Kedụ ka mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu?
3. Kedụ ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa dị ka Nworgu (2015) kọwara bụ ụzọ e si enweta ngwa nchọcha gbasara ụfọdụ ọnụọgụ nke ga-abụ nnọchite anya mmadụ niile ọkachasị mgbe ọnụọgụ buru ibu. Eze (2022) kọwara ya dịka usoro e si achọpụta echiche ndị mmadụ gbasara nchọcha e ji n'aka. Ụdị nchọcha a dabara na nchọcha e ji n'aka maka na nchọcha a na-eleba anya na mmetụta nka ọgụgụ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka, Steti Enugwu. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta dị puku atọ, nari asaa, iri asaa na asaa (3777) n'ọnụọgụ .Ngwa nchọcha e ji nweta aziza bụ Njụazadị iri abụọ na asatọ (28) bụ Mmetụta Mmeta nke ọmaỤmụakwụkwọ Sekọndịrị Nta N'ọmụmụ Asụsụ Igbo (MMNỌỤSNNAI) bụ nke ndị nchọcha ji aka ha mepụta. Ndị ọkammụta atọ si na ngalaba asụsụ Igbo na Measurement na Evaluation nyochara ngwa nchọcha ndị a ma kwenye na ọ dabara na nchọcha e ji ya eme. Nwale ntụkwasiobị e mere n'ụlọakwụkwọ Community Secondary School Edeoballa esoghi n'ebe nchọcha , nyere akara 0.75 nke gosiri na ya bụ ngwa nchọcha nwere ntụkwasiobi. Nkeji A na-egosi aha ụlọ akwụkwọ, okpuru ọchịchị, afọ ole nwa akwụkwọ gbara na klasị. Ụmụakwụkwọ gụkwara ederede e nyere ha iji gosi nka ọgụgụ ha n'asụsụ Igbo. Ndị nchọcha ji teepu rekọda wee mee nke a. E ji akara ngosi anọ wee zaa njụaza ahụ. Ha bụ Ekwesiri m Ike (EI - akara anọ), Ekwere

m (E - akara atọ), Ajụrụ m (A - akara abụọ) na Ajụsiri m Ike (AI - otu akara). Data e nwetara bụ nke a e ji miin ($\bar{x}$) na ndịpu izugbe (SD) wee nyochaa aziza sitere na ajụjụ nchọcha.

Nchọpụta

Ajụjụ Nchọcha nke Mbụ

Kedụ ka ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu?

Tebul 1: Ọsịsa miin na ndịpu izugbe ka nka ọgụgụ si emetụta mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ n'asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nọ na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

N/I	Ajụjụ	$\overline{X}$	SD	Nkọwa
A	Ọ na-ahịa m ahụ ịgụta ederede n'asụsụ Igbo	3.34	0.71	Ekwenyere
B	Ịkpọpụta ụdaolu asụsụ Igbo na-enye m mgbakasị ahụ	3.37	0.75	Ekwenyere
Ch	Amaghị m asụ Igbo ọsịịsọ	3.21	0.68	Ekwenyere
D	E nweghị m akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo	3.38	0.72	Ekwenyere
E	Nne m na nna m achọghị ka m na-agụ akwụkwọ edere n'asụsụ Igbo	3.05	0.63	Ekwenyere
F	Ndị ezinaụlọ m anaghị enwe ohere inwe mkpakọrịtankata n'asụsụ Igbo	2.90	0.61	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.21**	**0.52**	**Ekwenyere**

Tebul 1 gosiri ọsịsa miin na ndịpu izugbe ka ogo nka ọgụgụ si emetụta mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu. Site na tebul, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ **a, b, ch, d, e,** na **f** ndị nke nwere akara miini **3.34, 3.37, 3.21, 3.38, 3.05** na **2.90** n'otu n'otu na ogo nka ọgụgụ na-emetụta mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.N'otu aka ahụ nchịkọta nke nwere akara miini **3.21** gosikwara na ndị zara ajụjụ kwenyere na ogo nka ọgụgụ na-emetụta mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ:

Kedụ ka mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu?

Tebul 2: Ọsịsa miin na ndịpu izugbe ka mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta si emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu.

N/I	Ajụjụ	$\overline{X}$	SD	Nkọwa
A	Ọ masịrị m na m bụ onye Igbo	2.88	0.48	Ekwenyere
B	Ọ na-atọ m ụtọ ịgụpụta ihe n'asụsụ Igbo oge niile.	2.65	0.58	Ekwenyere
Ch	Ị bụ onye Igbo na-enye m ugwu na nsọpụrụ	2.14	0.65	Ekwenyeghi
D	Achọrọ m ka a mara m ka nwa afọ Igbo	2.51	0.62	Ekwenyere
E	Ihere na-eme m ịsụ Igbo ebe ndị mmadụ nọ	3.33	0.69	Ekwenyere
F	Ihere na-eme m na m bu onye Igbo	3.39	0.68	Ekwenyere
G	Asụsụ Igbo anaghị ebuli mmadụ n'ogo dị elu	3.60	0.66	Ekwenyere

Gb	Asụsụ Igbo anaghị egosi ogo mmadụ	3.52	0.69	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.00**	**0.38**	**Ekwenyere**

Tebul 2 gosiri ọsịsa miin na ndịpu izugbe mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na-emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu. Site na tebul a, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ **a, b, d, e, f, g,** na **gb** ndị nwere akara miini **2.88, 2.65, 2.51, 3.33, 3.39, 3.60** na **3.52** n'otu n'otu na mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na-emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu.

N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị n'ajụjụ **ch** nke nwere akara miini **2.14** na ịbụ onye Igbo na-enye m ugwu na nsọpụrụ dị ka enweghị mmasị ụmụ akwụkwọ so na-emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Nchịkọta gosiri na ndị zara ajụjụ kwenyere site n'akara miini **3.00** na mmasị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na -emetụta mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Ajụjụ Nchọcha nke Atọ

Kedụ ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu?

Tebul 3: Ọsịsa miin na ndịpuizugbe n'ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu.

N/I	Ajụjụ	$\overline{X}$	SD	Nkọwa
A	Inye ụmụakwụkwọ ihe omume ọgụgụ oge niile	2.67	0078	Ekwenyere
B	I ji Bekee akuzi asụsụ Igbo ga-enye aka	2.38	0.67	Ekwenyeghị
Ch	Ịrụgasị ọbaakwụkwọ naanị maka akwụkwọ ọgụgụ Igbo	3.38	0.61	Ekwenyere
D	Iguzobe otu asọmpi n'asụsụ Igbo	3.44	0.52	Ekwenyere
E	A ga-enye ọmụmụ asụsụ Igbo oge ga-ezuru ya	3.51	0.65	Ekwenyere
F	Ndị nne na nna ịgụrụ ụmụaka ha akwụkwọ ọgụgụ e dere n'asụsụ Igbo	3.60	0.65	Ekwenyere
G	Inye nwaakwụkwọ ọbụla mere nkeọma n'asụsụ Igbo onyinye	3.62	0.58	Ekwenyere
Gb	Ịrụpụtagasị ụlọ maka ọgụgụ na zonu mmụta niile e nwere na steti	3.66	0.63	Ekwenyere
Gh	Inye nwaakwụkwọ metara nkeọma n'asụsụ Igbo agụmakwụkwọ na-efu	3.60	0.65	Ekwenyere
Gw	Inye nwaakwụkwọ metara nkeọma n'asụsụ Igbo ọrụ n'ụlọ ọrụ mgbasa ozi n'asụsụ Igbo	3.48	0.77	Ekwenyere
H	Inweghi ike ịsụ Igbo n'agwakọtaghị ya asụsụ Bekee	1.87	0.92	Ekwenyeghị

I	Ime asompi ọgụgụ ederede n'asụsụ n'ụlọakwkwọ	3.32	0.67	Ekwenyere
ị	Ime asompi ọgụgụ ederede n'asụsụ na ogo nke steti maka nturu ugo	2.78	0.75	Ekwenyere
Nchịkọta		**3.18**	**0.35**	**Ekwenyere**

Tebul 3 gosiri ọsịsa miin na ndịpu izugbe ka ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu. Site na tebul, ndị zara ajụjụ kwenyere n'ajụjụ a, ch, d, e, f, g, gb, gh, gw, i na ị ndị nwere akara miini 2.67, 3.38, 3.44, 3.51, 3.60, 3.62, 3.66, 3.60, 3.48, 3.32, na 2.78 n'otu n'otu na ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka Steti Enugwu.

N'aka nke ọzọ, ndị zara ajụjụ ekwenyeghị n'ajụjụ b na h ndị nwere akara miini 2.38 na 1.87 n'otu n'otu. Nchịkọta gosiri na ndị zara ajụjụ kwenyere site n'akara miini 3.18 na ụzọ a ga-esi kwalite ogo nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na mmeta nkeọma ha n'ọmụmụ asụsụ Igbo na zonu mmụta Nsụka na Steti Enugwu.

Nkata

Site na nchọpụta nchọcha a, o gosiri na ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị akwụkwọ ọgụgụ Igbo ma ya fọdụzia ịgụ ederede n'asụsụ Igbo. Nchọpụta Moses na Alice (2023) dabara na nchọcha site n'ịkọwa naakwụkwọọgụgụ bụ otu ngwa pụtara ihe n'akwalite ikike ọgụgụ. Nchọpụta Umo na Okeke (2009) kwadokwara na ihe kpatara asụsụ Igbo ji na-anyụ ka ọkụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta bụ na ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo n'ụlọ. Ejiofor (2010)kwadokwara na n'ọtụtụ ezinaụlọ taa,bụ Bekee ka a na-asụ na be ha ka e si asụ na be ndị ọcha. Ọnọdụdị etu a na-ewetandọghachị azụ nka ọgụgụ ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta. Ebe ụmụaka ebidoghị n'ezinaụlọ ha dị iche iche sụba asụsụ Igbo tupu ha ebido gawa n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na nke praịmarị, ọ na-ahịa ha ahụ nke ukwuu ịsụ na ịgụ ederede n'asụsụ Igbo

Nchọpụta nchọcha a gosiri na oge a na-enye maka ọmụmụ asụsụ Igbo anaghị ezu maka inweta ezi nka ọgụgụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta.. N'ihi nke a, ihe ọ pụtara bụ na ụmụakwụkwọ na ndịnkụzị ha na-agbalizị ịhụ na ha lafere n'ule karịa ịma ihe gbasara asụsụ Igbo ha na-amụ.

Mmechi

Site na nchọpụta nchọcha a, ndịnchọcha chọpụtara na ọtụtụ ezinaụlọ enweghị ezi ntọala ịkuzi nwata asụsu nke bụ ebe izizi nwata Igbo kwesịrị inwe mmekọ izizi. Nke a mere na ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta na-eri mperi n'ọgụgụ na odide asụsụ Igbo.Ezinaụlọ tosiri ịdị na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo ma zụtara ha akwụkwọ ọgụgụ Igbo. Nke ga-eme ka ha nwee ezi nka ọgụgụ ma sikwa etu ahụ na-emeta nkeọma n'asụsụ Igbo .

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nchọcha tụnyere aro ndị a:

1. Ndị nne na nna ga-akwado ụmụaka inwe ezi nka ọgụgụ site n'ịzụtara ha akwụkwọ ọgụgụ n'asụsụ Igbo maka ikwalite nke nkeọma ha n'asụsụ Igbo.

2. Ndị isi ụlọakwụkwọ ga na-enye ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta mere nkeọma n'ụlọakwụkwọ akwụkwọ ọgụgụ ndị e dere n'asụsụ Igbo nakwa onyinye ndị ọzọgasị.
3. Ndị nhazi ihe ọmụmụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta ga-enye ọmụmụ asụsụ Igbo oge dị ka e si nye ọmụmụ asụsụ Bekee ka asụsụ Igbo bụrụ ihe a na-amụ kwa ụbọchị kwa ụbọchị.
4. Ndị nkụzị ga-ebido n'oge ụmụaka nọ n'ụlọakwụkwọ ọtaakara na praịmarị kuzibere ha ka e si agụ ihe ọgụgụ n'asụsụ Igbo. ha nsogbu.
5. Ka a na-enwe asọmpi kwa mgbe kwa mgbe n'ogo mmụta dị iche iche ma n'ụlọakwụkwọ, ma na zonu nakwa na steti.

Nrụaka

Anọzie, C. C. (1999). *Lingwistiki Sayensi Asụsụ*. Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Arumobi, C. V., & Ukwuoma, S. (2016). Information literacy in Nigerian universities: Trends, challenges, and opportunities. *New Library, 117*(5/6).

Bruner, J. (1983). *Child's talk*. Norton. Retrieved from http://tip.psychology.org/bruner/html on 17/12/2023.

Encyclopedia Britannica. (2009). Bruner, Jerome S. *Encyclopedia Britannica 2009 Student and Home Edition* (DVD). Chicago: Encyclopedia Britannica. Retrieved on 17/12/2023.

Eze, R. I. (2023). Mmekpaahụ olundị n'ịdeta edemede asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị siniọ n'okpuru ọchịchị ụzọ ụwanị Steti Enugwu, Naijiria. *Nsukka Journal of the Humanities, 31*(2). Retrieved from www.njh.com.ng/EISSN2361-0034.

Eze, R.I. (2022). *Nka Usoro Nchọcha n'Asụsụ Igbo.* Nsukka: ISBN: 978-56751-7-7, Chuka Educational Publishers

Ezema, C. A. (2021). Nka ọgụgụ. In M. O. Omeje & G. T. Onwuka (Eds.), *Ntọala Nkụzi na Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Nsukka: Paschal Communications.

Federal Republic of Nigeria. (2013). *National Policy on Education*. Lagos: NERDC Press.

Mbah, B. M. (2007). Crying wolf in Igbo studies: The resort of the idle scholar. *Journal of Igbo Studies, 2*, 72–80.

Mgbodile, T. O. (1999). *Fundamentals of Language Education*. Nsukka: Mike Social Press.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational Research: Basic Issues and Methodology*. Ibadan: Wisdom Publishers Ltd.

Ohiri-Aniche, C. (2004). *Nkụzị Igbo Dị Ka Asụsụ Epum (Igbo L1) N'ụlọ Akwụkwọ Ndị Sekọndịrị*. Port-Harcourt: Emhari Publications.

Ohiri-Aniche, C. (2006). Nkụzị na ọmụmụ asụsụ Igbo kemgbe afọ ndị 1990. *Journal of Igbo Studies, 1*.

Oriogu, C. D. (2015). Catch them young: Developing and improving school libraries and reading habits of secondary school students in Nigeria. *Journal of Education and e-Learning Research, 2*(4).

Otache, I. (2020). Poor reading culture in Nigeria: The way forward. *African Journal of Social Science*.

Oyowole, O. (2017). Impact of poor reading culture among selected secondary schools students. Retrieved from http://www.webpages.uidaho.edu/mobile on 03/04/2020.

Umo, C. U., & Ezema, T. O. (2007). *Mkpanaaka Akwụkwọ Ọmụmụ Nchọcha n'Asụsụ na Omenala Igbo*. Nsukka: Ifediịmma Communications.

West African Eụamination Council – 2017-2023.*IgboChief Eụaminer's Reports,* The West African Senior School Certificate May/June Examination, Lagos: WAEC.